ÉKWÉ INTERNATIONAL JOURNAL OF IGBO SCHOLARS FORUM FOR SOCIO-CULTURAL ADVANCEMENT (INC)Volume 19, No 2, April, 2026ISSN: 2476-8448

# EKIKE MMỌNWỤ N'EDA IGBO

**Chima, Ụzọma Okpo**
Ngalaba Lingwistikis Ọmụmụ Nzikọrita Ozi nakwa lgboMahadum Steeti, Abia ,Uturu.chimauzoma463@gmail.com+2348067310073.

**Ọkn. M. C. Onukawa**Ngalaba Lingwistikis Ọmụmụ Nzikọrita Ozi nakwa lgbo. Mahadum Steeti, Abia,Uturu.onukawamc@gmail.com +2348037611883.

**Ọkn. R .I .Ndịmel**Ngalaba Lingwistikis Ọmụmụ Nzikọrita Ozi nakwa lgbo Mahadum Steeti, Abia, Uturu.ndịmeleabiastateuniversity.edu.ng +2348033402966

## Ụmiedemede

Nchọcha a lebara anya ekike Mmọnwụ n'Eda Igbo ihe ima aka, uru, mmalite na ọghọ m n'oge ugbu a. Ọ kọwara abamaba mmọnwụ di ka abamaba na e were ọnọdụ n'ọnwa iteghete kwa afọ ọ bụla, bụrụ kwa abamaba nnabata ụmụ okorobịa tozuru oke na-eme nke dị n'okpuru ọchịchị Ndịda Afikpo nke Steeti Ebonyi. Mbunuche nchọcha a bụ ichọpụta ekike mmọnwụ Eda, lgbo, uru, na ọghọ m ndị a

na-enweta n'ekike mmọnwụ Eda, lgbo, mmalite ekike mmọnwụ Eda, lgbo. Onye nchọcha ji ngwa nchọcha di iche iche ndị ga-enyere ya aka ichọpụta ihe ọ na-achọ, Ngwa ọrụ o ji mee nchọcha ya bụ igba ndị okenye ndị Eda, lgbo ajụjụ ọnụ bụ ndị mara nke ọma mmalite ekike mmọnwụ Eda, lgbo na nnọrọlere. Nchọcha gakwara n'ihu ikọwapụta ụdi mmọnwụ Eda, lgbo nke gụnyere, mmọnwụ eli, mmọnwụ ewa mgbom, mmọnwụ ufiee, mmọnwụ ọgụ, mmọnwụ, egede ụga, mmọnwụ oti, mmọnwụ, ụkpọ,.Onye nchọcha chọpụtara uru mmọnwụ Eda, lgbo bara nke gụnyere mmekọrita mmadụ na ibe ya, ime ka obodo na-ekpo ọkụ, e ji ya anọri oge, onye nchọcha chọpụtara ọghọ m di ya, nke gụnyere idi oke ọnụ, imesi onye iro ha ike. Ekike mmọnwụ Eda, lgbo di iche iche. N'ikpeazụ, onye nchọcha tụrụ aro ka ndị Eda, lgbo lebagharia anya n'abamaba mmọnwụ Eda, lgbo ma chọpụtakwa ụzọ ha ga-esi mee ka ọ ghara ichipụ ma ọ bụ laa ka nai. O mechiri nchọcha ya site n'ikọwapụta na ekike mmọnwụ Eda, lgbo bụ ebe okpukperechi ndị Eda, lgbo hiwere isi.

**Nkọwa Ọkpụrụkpụ okwu;** Ekike, Mmọnwụ, Eda, Omenaala, Ọdinaala, Ọdibendị.

## Abstract

This study examines various Masqrades in Eda, lgbo initiation, traditional festivals and Religion. The purpose of the study is to have in-depth knowledge of the various processes of Masqrades, roles, benefits, and disadvantages

and their significance in Eda culture and Religion. The researcher used a descriptive method to analyze the findịngs. It was found that the Eda, Igbo, this festival takes place in the first month of every year. The study adopts the theoretical frame work of social cultural theory of (SCT) an interpersonal level theory developed by Lev.Vygosky that emphasizes the dynamic interpretation of culture. The study reviewed various Masqurades in Eda that is followed all year round by the traditional calenda of chief priest. The researcher verified that every male child in Eda culture to be acknowledged as full-fledged man must be initiated into traditional festival and Religion. It is recommended that initiation into traditional festival and Religion of Eda should live up to the expectations of the society, and to find ways to prevent it from being removed or lost since its benefits are useful to the society.

**Key words**: Culture, Masqurade, Tradition, Religion, Initiation

## Mkpọlite

Agbụrụ ọ bụla n'ụwa niile nwere usoro ha hazịrị ahazi ha ji ebi ndụ ha. Ọ bụrụ na e nweghi usoro a ahazịrị, ndị ji ebi ndụ ha, ụwa niile gaara ejụpụta n'ọgbaaghara, n'ihi na onye ọ bụla ga na-eme otu masịrị ya. Ọ bụ ụsoro a, a haziri ahazi na-enye aka ime ka obibi ndụ na mmekọrịta mmadụ na ibe ya bụrụ ihe kwere omume, ya mere asi ka onye ọ bụla biwe otu masịrị ya, ụwa niile gaara anọ n'ọgbaaghara. Ọdinaala bụ mkpọkọta usoro niile agbụrụ hiwere maka obibi ndụ ha nke na-agbaziri ha ụzọ dị mma ma ọ bụ dị njọ ha ga-esi bie

ndụ ha. Dị ka Mba, (2018) siri kọwaa ya ọ bụ nchịkọta mmemme agbụrụ nke ọha obodo kwenyere na ya, na-eme ma na-akụziri ya ụmụ ha site n'ịkụziri ọgbọ ọ bụla bịara, ihe obodo kwenyere na ya, na-enyefe ọdinaala site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ. Nkụzi di otu a nwere ike ịbụ site n'ịkọ akụkọ ndị ọzọ gasị ma ọ bụkwanụ site na nlere na nsonye na mmemme ndị obodo na-eme, ka a na-eme nke a, ndị mmadụ na-amụta ihe na-etinyekwa ya n'omume. Ọdịnaala bụ emereme nfụnaala ma ọ bụ mpụnaala, ya bụ ihe ndị ahụ dibụ adi tupu obodo amalite, N'uche nke Anọzie, (2003), Ọdịnaala bụ ihe ndị ahụ nille puru epu n'ala nke na-adịghị n'obodo niile di n'ala lgbo. Ọdịnaala adịla adi tupu ndị nwe ya amụta nke ha na-agbakwụnyere ya, Ọdịnaala bụ ihe dị ọkpụtọrọkpụ, ọ bụ ọdinaala ka Omenaala gbadoro ụkwụ dịka, ịkwa ozu, Ịgụ nwa aha, ịlụ nwaanyị, iri ekpe, mana ụzọ ha si emepụta ihe ndị a ka a na-akpọ Omenaala. Ọdịnaala na-adịgide site n'aka fere n'aka, ọ naghị anwụ anwụ, omenaala nwere ike nwụọ mana ọdịnaala a naghị anwụ, ọdịbendị bụ ihe ndị ahụ dị n'otu obodo na-adịghị n'obodo ọzọ. N'echiche nke Anozie (2003) ọdibendị bụ ihe ndị ahụ nille e jiri mara obodo na-adịghị n'obodo ndị ọzọ, nke bụ ekwuo maka echiche onye ọ bụla, a gaa n'obodo na-eme ya. A bịa n'ala lgbo, ọ bụ ndị Ọka, ka a mara maka ịkpụ ụzụ, o zughi ala lgbo nille ọnụ, ya bụ ịkpụ ụzụ bụ ọdibendị Ọka, n'ihi na o zughi ala lgbo nille ọnụ. Okpukperechi Egbela ka e ji mara ndị Eda, lgbo, ọ bụ ọdịbendị ha, n'ihi na o zughi lgbo niile ọnụ. Omenaala bụ usoro obodo kwekọrịtara iji bie ndụ ha, nke gụnyere okpukperechi ha, ịkwa nka ha, akparamaagwa ha, okwukwe ha; aka ọrụ ha, akụnaụba ha na emume ndị ọzọ dị n'obodo ha. Omenaala bụkwa nkwekọrịta ndị obodo nke

gbadoro ụkwụ etụ ha si ebi ndụ. Ogbalu, (1987) kọwara Omenaala dịka nchịkọta ihe niile mmadụ mụtara n'obodo ya nke na-achi agwa ha, omume ha, nkwenye na okwukwe ha. N'aka nke Okorie (2009), Omenaala bụ mkpụrụ okwu atọ e jikọtara n'ụdị ahịrịokwụ mebere okwụ a bụ Omenaala, nke a pụtara omume a na-eme n'ala. Omume ndị a gụnyere asụsụ ndị na-asụ, ekpemeekpe ha na-ekpe, ụzọ ha si hụta ụwa usoro ọchịchị ha na-agbasọ, ụzọ ha sị azụlịte ụmụ ha, ụdị ekele na nsọpụrụ dị obodo, ihe obodo na-asọ nsọ, nakwa ihe obodo na enwe mmasị na ha. Sibani (2018) mere ka a mata na e nwere ụdị Omenaala abụọ; ha bụ Omenaala ndị a na-ahụ anya na ndị a naghị ahụ anya. Omenaala ndị a naghị ahụ anya bụ ihe atụrụatụ, nkanụụzụ ngwa ọrụ, ebe a na-emepụta ngwa ọrụ. Abakere, (2009) kọwara si na Omenaala bụ usoro obibi ndụ a hazịrị ahazị nke ndị mmadụ na-amụta ụdị akparamaagwa a chọrọ n'obodo. Ụdị akparamagwa a gụnyere; nkwenye, agụmaagụ, atụmaatụ ụche, okpukpere chi na ekereuche ndị mmadụ bị n'ime obodo ahụ. Nkọwa a metụrụ aka n'usoro iwu nke e ji echekwa ngwongwo ndị a na-enweta na agbụrụ obodo ahụ. Ọ gakwara n'ihu ịkọwa na omenaala metụtara ihe nketa niile, mmụta niile, nkwenye, aka ọrụ mmadụ na ọdịbendị nke obodo jiri bịrị

## Ntụleghari Agụmagụ

N'ebe a, a tụlegharịrị ihe ndị e edere ede banyere isiokwu a iji mee ka o doo anya ma dịkwa mfe nghọta anyị ga-ekewa ya ụzọ atọ ndị a nke echemeche, atụtụ na ihe e derela gbasara isiokwu a.

## Usoro Echemeche

N'ebe a, e nyere nkọwa miri emi bayere isiowu ụfọdụ di mkpa maka nchọchaa. Mkpụrụokwu ndị a gụnyere; Omenaala, Ọdinaala, Ọdibendị, Mmọnwụ.

## Omenaala

Omenaala bụ usoro obodo kwekọrịtara iji bie ndụ ha, nke a gụnyere okpukperechi ha, ịkwa nka, akparamaagwa ha, okwukwe ha, aka ọrụ ha, akụnaụba ha na emume ndị ọzọ dị n'obodo. Omenaala bụkwa nkwekọrịta ndị obodo, nke gbadoro ukwu etu ha si ebi ndu. N'echiche nke Ogbalu, (1987) Omenaala bụ nchịkọta ihe niịle mmadụ mụtara n'obodo ya nke na-achị agwa ha; omume ha, nkwenye na okwukwe ha. N'aka nke Okorie (2009) Omenaala bụ mkpụrụokwu atọ e jịkọtara n'ụdị ahịrịokwụ mebere. Okwu a bụ Omenaala nke pụtara omume a na-eme n'ala. Omume ndị a gụnyere; asụsụ ndị na-asụ, ekpemekpe ha na-ekpe, ụzọ ha si hụta ụwa, usoro ọchịchị ha na-agbasọ, ụzọ ha si azụlịte ụmụ ha, ụdị ekele na nsọpụrụ di n'obodo. Ihe obodo na-asọ nsọ na ihe ha a na-enwe mmasị na ha. Tylor, (1871), n'ime Ugbor na Dioka, (2019) kọwara na Omenaala bụ ụkpụrụ omume dị mgbagwoju anya nke obodo, nke gụnyere, amamiihe, nkwenye, nka, ihe omume, iwu, ọdịnaala, agwa na ihe ndị ọzọ ha nwere ike imeli nke ha nwetara dịka otu ndị ma ọ bụ ọha obodo. Ferror, Trevathan na Levy (1994) n'ime Ezebuilo, Odeh, na Nwosu (2019); nyekwara nkọwa ọzọ nke chịkọtara okwu a bụ Omenaala ọnụ, ha siri na ọ bụ ihe ndị mmadụ nwere na-eche ma na-emekwa dịka otu obodo. Na nkọwa nke ha, Kroeber na

Kluckhohn (1952) n'ime Spencer- Oakey (2012 ) siri na Omenaala gụnyere ụkpụrụ nke a na-ahụ anya na nke a naghị ahụ anya, nke omume e nwetara enweta ma site na nka na-enyefe ya n'aka ọgbọ ọzọ, nke chịkọtara ihe nnweta pụrụ iche ndị obodo, tinyere ihe ngọsịpụta ha. Wood, (2009) rụtụrụ aka si na Omenaala na-apụta ihe mgbe usoro obibi ndụ pụrụ iche a hazịrị nke ndị mmadụ kwenyere mana emekwa ya. Iji kapịa ihe ọ na-ekwu ọnụ, ọ sịrị na a na-ezipụta Omenaala site n'ejije, erimeri, ekele, owuwu ụlọ, alụmalụ, ọgụgụ aha, ekpemekpe, usoro nkwenye, nsịrịhụ ụwa, ọrụ nka na ọtụtụ ụzọ ndị ọzọ dị iche iche. N'ịtụkwasị nke a, Nwolikpe, (2013) siri na Omenaala gụnyere otu obodo si eri nrị, usoro ekpemekpe ha, mmekọrịta, ọchịchị ha, otu ha si enwe mmụta na ihe omume dị iche iche n'obodo ha. Ka ọ sila di, a na-amụta Omenaala amụta, ọ bụghị ebumpụta ụwa. Ọ nwekwara ike igbanwe agbanwe. N'ịkwado nke a; Ugbor na Dioka, (2019) kwadoro na Omenaala na-agbanwe agbanwe etu ahụ mmadụ sị agbanwe. Dika ọ na-enwe mmetụta na mmekọrịta ya na Omenaala ndị ọzọ. Ọ na-agabiga mgbanwe di iche iche. Ọ dighị adigide, na-agbanyeghi na Omenaala na-agbanwe, ọ na-enye obodo njirmara, ndịgide, nchekwa mana ejikọta ha dị ka otu ndị.Ukenna (2017) siri na Omenaala bụ okwu a na-eji eme ihe mgbe a na-agbalị ịkọwa ma jịkọta ihe omume na echiche ndị obodo ọnụ. Abudul (2016) kọwara na Omenaala gụnyere ihe niile mmadụ na-eme, nke a na-esite n'ụzọ ọhanaeze nyefe ndị mmadụ n'obodo, site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ. Ya bụ, a ga-asi na Omenaala bụ mkpọta ewumewu na usoro obibi ndụ ndị nke ha na-ebi iji hazie ndụ ha ma bịkọrịtakwa ndụ dabara adaba. Ọ na-agbazịrị ha ihe kwesiri ekwesi ma meekwa ka

mmekọrịta ha na mmadụ ibe ha tọọ atọ. Ezebuilo Odeh na Nwosu (2019) siri na ọ bụghị Omenaala bụ ihe mmekọrịta nke nzịpụta, na nchekwa na nnwogharị njirimara, ọ bụ ụkpụrụ nkwenye, nka, ihe nweta, ihe ọdinaala, ọdịbendị na ihe e kwesiri ime na ndị e kwesighi ime n'obodo. N'ịgbado ụkwụ na nkọwa a dị n'elụ, e nwere ike isi na Omenaala bụ ugegbe nke a na-esite na ya ahụta ụwa ma wulite mpụtara. Omenaala bụ njirimara onye, ma ọ bụ ndị ọbụ ihe na-egosịpụta nsonye nke otu. Ezebuilo, Odeh na Nwosu, (2019) Omenaala na-ekwụpụta ụkpụrụ obibi ndụ ndị nke ọ bụ naanị ha ka e ji ya mara.

## Ọdinaala

Ọdinaala bụ mmemme nke otu ọ bụla na-eme, ma ọ bụ ụzọ dị iche iche otu si eme ihe nke barala ha n'ụmi ọkpụkpụ, ma ọ bụ maalara ha ahụ kemgbe ụwa bidoro. Nke a na-egosi na ọ bụrụ na a bịa n'ala Igbo, ọ gaghị abụ nke Igbo niile nabatara ma na-eme ya, kama ọ dabara ha iji maatu. Alụmdi na nwunye bụ Omenaala zuru Igbo niile ọnụ. Ịlụ nwaanyị bụkwa Ọ̀dinala dịrị otu ma ọ bụ agbụrụ ọ bụla, n'ihi na usoro emume ha dị iche iche nye agbụrụ ma ọ bụ otu ọ bụla bụ nke ha nabatara ma bụrụ nke ha kwenyere na ya. Ụfọdụ mpaghara ala Igbo na-ama nnukwu ego n'isi nwaanyị, ebe ụfọdụ anaghị ama ya, dịka o siri metụta ndị Owere na Steeti Imo, na Nsụka na Steeti Enugwu Steeti abụọ ndị a nọ n'ala Igbo  mana usoro alụmdi na nwunye dị iche iche. Nke a wee bụrụ Ọ̀dinaala.Obodo Eda, Igbo nwere Ọ̀dinaala ha. Otu n'ime ha bụ na ha na-eji nira iri atọ akwụ ụgwọ isi nwaanyị. Ọ masị di onye ahụ ka ọ bụrụ

Dangote, ndị ọgọ ya agaghị anafe nke ahụ. Nke a wee bụrụ Ọ̀dinala ndị Eda, Igbo. N'ala Igbo, ọ bụ nna na ụmụnna na-akwado alụmdi na nwunye tupu o nwee isi. Ili onye nwụrụ anwụ bụ Omenaala zuru Igbo ọnụ, mana usoro ili ozu ndị a dị iche iche nye otu ọ bụla dị iche, nke mere o ji bụrụ Ọ̀dinala.Na mpaghara Abakaliki, ọ kachasị mgbe onye e jighị ehi lie ma ọ bụkwa nna ya, e nweghị ike taa ehi ebe ọzọ na mmemme ili ozu. Nke a bụ nkwenye ha kwenyere na ya Iru mgbede bụ Omenaala e ji akwadebe nwaanyị ruru ogo ịlụ di. A hụ na ahụ amawala ya mma, nne na nna ya ga-abịa kwadebe ọnọdụ nwaanyị ahụ ga-anọ tupu ọ laa n'ụlọ di ya. Ọ bụrụ na nwa agbọghọ nwere nwoke ọ na-adabara ya n'ịbụ di na nwunye, nwoke ahụ ga-esokwa n'ime nkwadebe ọnọdụ ahụ. N'ebe ụfọdụ, a na-eji iru mgbede akwadebe nwoke maka ịlụ nwunye. Ndị obodo Eda, Igbo na-akpọ ya Orie Eyighiya Iru mgbede ezughị Igbo niile ọnụ. Ebe a maara ihe banyere iru mgbede bụ Ọka, Owere, Ọlụ, Abiriba, Ọhazara, Abakaliki, na obodo Eda, Igbo. Ụfọdụ ebe ndị a a kpọgasịrị aha nwere aha nke ha na-akpọ iru mgbede, Ọnicha na Ọka na-akpọ ya Iru Mgbede, Ọhazara na Abakaliki na-akpọ ya Ikwe Ezi, Abiriba na-akpọ ya ịnọ Nzuzu, ebe ndị Eda, Igbo na-akpọ ya Orie Eyighiya. A bịa n'ịgọ na ịwa oji, oji bụ mkpụrụ osisi na-amịpụta n'osisi a na-akpọ oji. Ọ nweghị ezigbo ụtọ dịka mkpụrụ osisi ndị ọzọ. Ọ bụ eziokwu na ndị Yoruba na-ata oji, Hausa na-atakwa ọji, mana Igbo na-agọ ọji ma na-eji ya eme Omenaala. Ịgọ ọji n'ala Igbo dị iche iche. N'obodo ụfọdụ dịka akụkụ Ọnicha, Nnewi, Njikọka, ọ bụ onye bụkarịrị okenye na-awa oji. N'obodo ụfọdụ dịka Ngwa, ọ bụ onye bụkarịrị nwa nta na-awa oji. Echiche banyere nke a bụ na nwa nta ebughị ihe ọjọọ ọ bụla n'obi.

N'Eda, Igbo, ọ bụ onye okenye na-awa oji. Ọzọ kwa, e nwere ndị bụ ụmụdibia, nke a abụrụ Ọ̀dinaala ha. Ọ nwekwara ndị agwu dị n'ala ha, ụfọdụ ka afa dị n'ala ha. Ihe ndị a niile bụ ihe obodo ahụ kwenyere na ya, ha ji ebi ndụ. A bịa n'echichi, e nwere ndị na-echi nwoke ọzọ, nwekwara ndị na-echi nwaanyị ọzọ. Nke a bụkwa Ọ̀dinaala. A bịa na Mmọnwụ, ụdị Mmọnwụ ndị na-eti na otu ha si eti ya dị iche iche. Ihe kacha mkpa na Ọ̀dinaala ndị a bụ na ha niile bụ ihe a na-eme n'ala Igbo.

## Ọdịbendị

Ọdịbendị bụ ihe e ji amata obodo, agbụrụ, ma ọ bụ mmadụ. Ọ bụ nchịkọta ihe niile e ji mara otu obodo ma ọ bụ agbụrụ iche na nke ndị ọzọ. Dị ka Omenaala, ọdịbendị bụ ihe e si ebi ndụ, ihe e ji ekele chi, ụzọ e si ewere ihe, na ụkpụrụ omume e si eso ndụ. Ọdịbendị bụkwa ihe e ji akọwa onye ma ọ bụ obodo dịka ihe pụrụ iche, nke na-ekwupụta otú ha si ebi ndụ. Dị ka Anọzie, (2003) siri kwuo, "Ọdịbendị bụ ihe ndị mmadụ ji ama obodo ha, nke na-apụghị ịhụ n'obodo ndị ọzọ." N'ụzọ ọzọ, a ga-asị na ọdịbendị bụ ihe e ji mara obodo n'ụzọ pụrụ iche. Dịka ọmụmaatụ, a na-akpọ ndị Ọka "ndị ụzụ," n'ihi na ha bụ ndị maara ịkpụ ihe. Nke a bụ ọdịbendị nke Ọka, n'ihi na ọ bụghị obodo Igbo niile nwere nke a. Ndị Eda, Igbo nwekwara ọdịbendị ha, dịka Okpukperechi Egbela, nke bụ ihe a na-eme n'ebe ahụ dịka ihe a pụrụ isi mata obodo ahụ. Ọ bụghị obodo Igbo niile na-eme nke ahụ, ya mere, ọ bụ ihe pụrụ iche nye ha. N'ihi ya, ọdịbendị bụ ihe na-egosi mmadụ, agbụrụ, ma ọ bụ obodo

ụzọ ha si ebi ndụ, kwenyere, ma bụrụkwa ihe na-ekpughe njirimara ha.

## Mmọnwụ

Mmọnwụ ụmụaka nwekwara ike ịbanye n'otụ Mmọnwụ site n'aka nna ha. Ụfọdụ Mmọnwụ e nwere n'ala Igbo bụ Ijele, Agaba, Ojiọnụ, Mgbalike, Ikeriudo, Ọgazi. Ụka (2024) kọwara Mmọnwụ n'Eda, Igbo dị ka ihe sitere n'Omenaala Egbela. Mmọnwụ n'Eda, Igbo bụ ụzọ pụtara ihe Eda, Igbo si efe ofufe ha, nke ihe nzuzo jupụtara na ya. Mmọnwụ n'Eda, Igbo jikọtara aka na okpukperechi Egbela Eda Igbo. Ọ bụ mmemme na-ewere ọnọdụ n'oge ọkọchi, ya mere mmọnwụ ọ bụla na-arụ ọrụ dị iche iche na ndụ ndị Eda, Igbo. Ndị Eda nwere ọtụtụ mmọnwụ nke dị iri anọ n'ọnụ ọgụgụ, ụfọdụ ya bụ: Eli, Akoyi, Oraka Oti, Egbo Ukpọ, Ewuri Eli, Egede, Uga, Nnachi Nta, Onye Nsensee Ụkpọ, Ikwom ọcha, Ogboghaali, Ọta Mkpụrụ Enyu, Ufiee Ọcha, Ogba Ewa Ukpọ, Ekwụkwọ Efere, Ụkpọ, Mbụbụ Ụkpọ, na Ikọọ Ụkpo. Nwabueze , (2003) kọwara mmọnwụ dị ka ngalaba ejije Igbo na-egosi ndị nkiri emereme ejije dịgasị iche iche n'ama obodo. Nnukwu mmọnwụ dị iche iche dịka Akwụnechienyi, Ijele, na Agbọghọ mmọnwụ anaghị apịa mmadụ ụtarị, kama ha na-ezipụta ihe nkiri dị mma. Ha na-eji ejiji n'ụdị egwu ma na-agbakwa ya. Egwu a na-abụ ndị mmọnwụ ọzọ na-akụ ya ma ọ bụ bụrụ mmadụ nkịtị. Mmọnwụ ndị dị otu a na-apụta kwa afọ, karịsịa mgbe a na-eme emume mmọnwụ. A na-ahụta emereme mmọnwụ dịka ejije n'ihi ihe ndị a, ha na-enwe ụbọchị, oge, na ebe ha na-anọ ezipụta emereme ha, dịka etu ndị omee

ejije si ezipụta emereme ha n'ụlọ nkwàgo ma ọ bu ebe obodo wepụtara maka ya. Ha nwekwara ụlọ nkwàgọ ha na ebe ọ mmọnwụ na-ana-akpọ 'Odo'. Mmọnwụ n'ụju ya nwere ihe na-ejije, na-akụzikwa amamiihe. Nne mmọnwụ na-egosi afọ mmadụ gbara, ebe agbọghọ mmọnwụ na-egosi anwụnsi agbọghọ na-eme ma di na-abịa ya. Ụmụ nwoke nta na-egosi ike ntorobịa na etu nna si edokwa ezinaụlọ ya iji gbochie ndị ezi ile ndị nwunye anya. Okodo, (2012) gosiri na mmọnwụ ndị Igbo abụghị mmọnwụ nkịtị. Ugonna (1981) kwuru na ejije mmọnwụ ndị Igbo na-egosi etu Omenaala ejije Afirịka n'onwe ya si bụrụ ihe gbasara nke ọma ma nwee mmepe pụtara ihe. Etu ọ bụla e si tụlee Mmọnwụ a ga-ahụtarịrị ihe mere ya ejije. Ndị Igbo ji ya eme ka omenaala na nkwenye ha ịkwụdosie ike ma gbasaa site n'aka fere n'aka. E nwekwara mmọnwụ ndị na-agba naanị n'abalị nke a kpọrọ 'mmọnwụ abalị', dịka ọ dị n'ejije ugbu a, n'ihi na e nwere ejije ugbu a ndị e mere ka a na-ele ya naanị n'abalị.

## Atụtụ

E nwere atụtụ di iche iche e nwere ike iji mee ncọcha a n'ihi banyere mmọnwụ n'Eda. Lgbo, atụtụ kacha daba adaba maka nchọcha a bụ atụtụ Omenaala dịka njimara ma ọ bụ mmekọrita mmadụ na ibe ya site na ọmụmụ omenaala obodo. Onye tụpụtara atụtụ a bụ Vygttsky n'afọ (1978). Atụtụ a na akọwa na omenaala na-enyere ụmụaka aka n'ebe mmụta di, ọ na-amụbawanye amamiihe ha mgbe ha dị n'afọ abụọ ma ọ bụ karịa. Atụtụ a na-akọwa na omenaala bụ njimara agbụrụ. N'echiche ya, omenaala abụghi ihe na-

ezo ezo, kama ọ bụ ihe anya na-ahụ, biakwazie na-eme ya eme. Omenaala bụkwa ihe e jiri mara mpaghara onye si pụta. Winstaoir (2007) kọwara na okwu na agwa mmadụ na-akpa nwere mmekọrita ọ na-apụtakarị ihe mgbe mmadụ nwere ihe imaaka, Vygottsky, gakwara n'ihu ịkọwa na omenaala ọ bụla na-enwe ngwa ọrụ e ji akwalite ụbụrụ, nke na-enyere ha aka ime mkpebi nke onwe ha ọ siri n'obodo na-emepe site otu omenaala ha si di.

## Ntụle

Ọtụtụ ndị nchọcha emela nchọcha dị iche iche n'omenaala. ọdibendị, mmọnwụ, Nchọcha  e merela n'isiokwu a bụ ndị a; Okenye (2019) Ezebụilo, Odeh na Ezeakọ(2019) Anagado, (2008), Onebunne na Ezeakọ (2025) Ogbuehi (2022 )   Ade (2012) Ebhomien(2014). Ezebụilo ,Odeh na Nwaosu (2019) mere nchọcha n'isiokwu Omenaala mpụtara mwulite njirimara ntule nke echiche. Ha mere nchọcha ahụ iji chọpụta mmetụta Omenaala na mwulite njimara si emetụta etu ndị mmadụ si aghọta mmekọrita. ọ gakwara n'ihu ichọpụta ọrụ omenaala na nhazi njimara di ka o si metụta mmadụ. Ọ chọpụtara na Omenaala na mwulite njimara na-agakọta ọnụ. Nchọcha ahụ yitụrụ nke onye nchọcha na-abagide mana ndị iche di na ha bụ na nchọcha a chọrọ ichọpụta emume abamaba mmọnwụ n'Eda, lgbo, uru, ọgbọm, mmalite mmọnwụ n'Eda. lgbo. Okenye (2019) mere nchọcha banyere mkpuhee ihe nzuzo ihu mmọnwụ n'oge ochie, mbunuche nchọcha ya bụ ichọpụta ihe mere ndị nchọcha oge ochie ji gbanahụ ụdaolu ndị ọcha ma hụta omenaala ndị lgbo di ka nke ka mma ma

nweekwa ugwu. O chọpụtara na ndebe olu ndị ọcha abaghi uru, kama nke ndị lgbo n'ihi na o jupụtara na ihe nka di iche iche. Nchọcha a yitụru nke onye nchọcha a na abagide mana ndị iche di na ya bụ na nchọcha a chọrọ ichọpụta mmọnwụ n'Eda,lgbo.

Onebunne na Ezeakọ ,(2025) mere nchọcha isi okwu ya bụ Omenaala na ekpemekpe ndị lgbo, ha mere nchọcha a iji chọpụta omenaala si mmetụta ekpemekpe na ndụ ndị lgbo. Ọ chọpụtara na mmepe anya emela ka abrakatara bata n'usoro ekpemekpe ndị lgbo. Nchọcha ya yitụrụ nke onye nchọcha a na-abagide mana ndị iche di na ha bụ nke ugbu a chọrọ ichọpụta ọghọm na-adi na mmọnwụ Eda, lgbo. Ade (2012) mere nchọcha ihe gbasara okpukperechi ọdinala ndị lgbo, Onye nchọcha mere nchọcha a iji chọpụta ihe mere mpụta mmọọ n'ụwa mmọọ nọ na ebe niile, n'ime mmadụ, osisi, osimmiri, anụmanụ, okute, ugwu, okpantụntụ, na mkpebi mmadụ, ọ chọpụtara na mpụta mmọnwụ n'ala

Afrika na-eweta ihe imaaka n'ụdi akparamagwa di n'ụwa niile nakwa ebe ọzọ, ọ chọpụtara na okpukperehi ọdinala na-emetụta akụkụ ndụ ha. Nchọcha a yitụrụ nke onye nchọcha ugbu a mana ndị iche di ya bụ nchọcha ugbu a chọrọ ichọpụta ihe mere ụmụ nwaanyị adịghị emetụ ọmụ nkwụ aka n'Eda, lgbo. Ebhomienen (2014) mere nchọcha ihe gbasara mmọnwụ Esan na nkwenye ha, onye nchọcha a chọrọ ichọpụta ihe mere mmọnwụ ndị Esan ji bụrụ mmọọ anya ndị nna nna ha nwụrụ anwụ, ọ bụghi nti ha, ọ chọpụtara na e nwere oke amamiihe ndị nna nna ha

mabighara nke na-eme ka ndị di ndụ mara n'etiti ndị nna nna ha nwụrụ anwụ nọ n'etiti ha na echebe ha, nchọcha yitụrụ nchọcha ugbu a mana ndị iche di bụ na nke ugbu a na-enyocha mmọnwụ Eda, lgbo.

## Ntụcha Ekike Mmọnwụ n'Eda, lgbo

N'isi nke a, a tụchara ma tapia mmalite ekike mmọnwụ n'Eda, lgbo, mmọnwụ eli, mmọnwụ ewa mgbom, mmọnwụ ufiee, mmọnwụ ọgụ, mmọnwụ egede ụga, mmọnwụ oti, mmọnwụ ụkpọ, uru, ọrụ mmọnwụ na arụrụ Eda, lgbo, ọghọm ekike mmọnwu Eda; lgbo, nnabata ndị ọhụrụ, Nsọ Egbela Eda, lgbo, ọrụ arụsi Egbela Eda, lgbo.

## Mmalite Ekike Mmọnwụ Eda, lgbo

Nnabuenyi, (1983) kọwara; Ekike Mmọnwụ sị na ọ bụ otu n'ime abamaba e nwere n'ala lgbo .Ọ bụ abamaba ụmụ ọkọrọbia na ndị tozuru oke n'eme. Ọ bụ ụzọ ndị lgbo na ndị nna nna ha nwụrụ anwụ si enwe mmekọrịta n'etiti onwe ha. A na-akpọ nwoke na anọghị n'otu Mmọnwụ "ogodu". Nwoke mara Mmọnwụ ka a n-akpọ Odogwu. Ụmụ nwaanyị anaghị aba otu mmọnwụ. Ụmụaka nwekwara ịke ịba n'otụ mmọnwụ site n'aka nna ha. Ụfọdụ n'ime ekike mmọnwụ e nwere n'ala Igbo bụ Ijele, Agaba, Ojiọnụ, Mgbalike, ikeriudo, Ọgazị. Mmọnwụ Eda, Igbo bụ ihe sitere na omenaala Egbela. Mmonwụ, Eda, Igbo bụ ụzọ pụtara ihe Eda, Igbo si efe ofufe ha nke nzụzọ jụpụtara na ya. Emume Ekike mmọnwụ jikọtara aka n'Egbela Okpukperechi Eda, Igbo, ọ bụ mmemme na-ewere ọnọdụ

n'oge ọkọchị, ya mere mmọnwụ ọ bụla na-arụ ọrụ dị iche na ndụ ndị mmadụ na ọha obodo. Eda, Igbo nwere ọtụtụ ekike mmọnwụ, ha dị ịrị anọ n'ọnụ ọgụgụ, nke ụfọdụ ya gụnyere; Eli Akọyi, Ọraka oti, Egbọ ụkpọ, Ewuri Eli, Egede ụga, Nnachi Nta, onye nsense ụkpọ, lkwom ọcha, ogboghali, ọtammkpụrụ Enyụ ukpọ, ufiee ọcha, ogba ewa ụkpọ, Ekwụkwọ Efere.ụkpọ, mbubuo ụkpọ, lkoo ụkpọ.

## Ekike Mmọnwụ Eli

Mmọnwụ a bụ Mmọnwụ nwere obere nchụ aja, ọ bụ ma ndị nwoke ma ndị nwaanyị mere abamaba Egbela na ndị na-emeghi n'emetụ ya aka, ọ bụ mmonwụ n'emetụ nwaanyị aka, mana tupu o mee nke a, ọ ga-atụfụsi osisi nille o ji aka. Mmọnwụ Eli na achụghari ụmụaka iji mee ha egwu ma ọ bụ kwanụ ime ka ha sọpụrụ nne na nna ha; ana-eji ya eme ka ụmụaka rụọ ọrụ ma ọ bụrụ na ha achọghi ịrụ ọrụ. Mmọnwụ a na-enwe mkpụchi akwụkwọ ya na-acha odo odo; ọ bụ ụbọchi ahịa orie ka oti nille a na-apụta, ọ bụ ya mere e ji akpọ ya orie oti; dịka irị atọ oti na narị mmọnwụ na-eso ha n, ha na-agụrụ ndị nna nna ha nwụrụ anwụ na Egbela Abụ otito; ndị Egbela gburu na ndị aga riri. Ndị nille a na-anabatabeghi ka mmọnwụ ga-ebido lụsowa ọgụ na achụgharị ha na-etikwa ha osisi ma ọ bụrụ na ha enweta ha.



**Eserese Mmọnwụ Eli**

## Ekike Mmọnwụ Ewa Mgbom

Ekike Mmọnwụ a bụ ihu Mmọnwụ e ji atụle ikịkere ụmụ okorobịa na-agba ọsọ ihe dịka iri abuọ na kịlọ mita isii nke ha na-esite na Eda, lgbo gbara ọsọ ruo mgbo m na Amụrọ nke dị n'Ehugbo. Ọ bụ ụzọ ha si egosipụta ike ha nwere; nakwa inwee ndịdi, ndị nille ruru ebe ahụ ka a na-enye onyinye pụrụ iche, ebe ndị erughi agaghi enweta ihe ọ bụla, Abịa n'ụlọ nne na nna ndị gbatara ọsọ Ewa mgbom ka a ga-enye onyinye dika ji, ewu, ọkụkọ, mmanụ nri, mma na nkwụ iji kwanyere ha ugwu; a na enye kwa ha ala ebe ha ga

na-akọ ụgbo ọbụ onyinye pụrụ iche dịka elu nke a na-akpọ "Ali lke" ọ bụ ụzọ dị otu a ka ndị nna anyị ha n'oge ochie si ebido ndụ nke aka ha.

## Ekike Mmọnwụ Ufiee

Ekike Mmọnwụ Ufiee bụ mmọnwụ eji eli ozu, mmọnwụ a, na-apụtakari na ọnwa iri na abụọ na ọnwa mbụ kwa afọ. Nke a na-abụkari ozu onye okenye na mgbe a mụrụ nwa mbụ n'ezinanụlo ọka, ọ na-apụtakari, ọ bụ mgbe lhu mmọnwụ a pụtara ka ha na-ekweta na mmọnwụ Ufiee di oke ọnụ ahịa. Ufiee mmọnwụ adịghị apụta oge ọ bụla; ọ na-apụtakarị mgbe a kpọrọ ya, ọ bụ onye  isi nchụaja Eda, lgbo na-akwado mmọnwụ a. N'ụbọchi a kara aka, mmọnwụ a na-apụta; ọ ga-eji osisi n'aka ya  gbara egwu gaa n'lkpirikpe ugboro asaa, mgbe ahụ lhu Mmọnwụ, na-akpatụkwa ikpirikpe ahụ aka na-echetara ha ụdi onye nna ha nwụrụ anwụ bụrụ tupu ọ nwụọ. Ha ga-efere ya aka ikpeazụ, kpekwara ya ekpere ka ọ nọ ogologo ndụ n'ụwa ọzọ ọ na-aga, riọkwa ya ka o kpuchite ha n'ụwa ndị nna nna ha. Ahụ mmọnwụ aka e ji ukpo jọji chọọ mma, e ji ukpo jọjị liee onye ahụ nwụrụ anwụ, tupu e lie ya Egbela ga–ebu ọgwụ mgbasi isi, a ga-ete Ekpo ahụ a gbaa ụzọ asaa nke a na-akpọọ "Ụjara' onyeisi nchụaja ga-eduru mmọnwụ ahụ gaa isi ogo ya na-agbakwa egbe nkụrụ Ali, ogene, iji kwanyere onye ahụ nwụrụ anwụ ugwu ikpeazụ.



Eserese Mmọnwụ Ufiee

**Ekike Mmọnwụ Ọgụ**

Mmọnwu ọgụ na-eji akpa egwọ na akụkwa ikpirikpe werekwa obere ọba, na lgwe na ntakiri lkpirikpe, ha ga-eyi okpu jọjii, jiri akwa ọkụkọ na aka ha abụọ na-agbakwa egwu. Mgbe ha kwụsiri igba egwu, ha ga-aga zuo ike ọnwa a, ka e ji ekpe ikpe, n'ihị na ọ bụ mgbe ahụ ka mmọnwụ a chọpụta arụ e mere na obodo, ọ na-achọpụtakwa onye mere ihe obodo na-aso nsọ ma ọ bụ ihe obodo na-agbaruru ihu, ọ na- eje ije n'ụzọ pụrụ iche.



**Ekike Mmọnwụ Egede Ụga**

Ekike Mmọnwụ a, bụ Mmọnwụ ndị Eda, lgbo ji azụ ndị agha ochie, ihu mmọnwụ a di ụzọ abụọ, ma nwekwa ogologo agba, anya ya gbara gburugburu imi ya piri api, ihu ya ka e ji agbaa dị iche iche, chọọ mma. N'oge ochie, ndị otu nzuzo n'eji ya egbu ndị otu ha. Mmọnwụ a na arigoro n'elu ụlọ onye mere ihe obodo na-agbarụrụ ihu, iji kpee ya ikpe ziri ezi, ọ na-akpa ike pụrụ iche n'obodo Eda, lgbo.

**Ekike Mmọnwụ Oti**

Mmọnwụ a buu ogologo ihu e ji egwọ wee mepụta, ogologo ya dị mkpirisi atọ ruo otu inchii. Ihu ya na adịkarị

ojii, ihe mejupụtara ya bụ Ewa mgbom nakwa ihe nzuzo dị na nnabata na mmeri lkpirikpe Agha.

## Ekike Mmọnwụ Ụkpọ

Ụka (1981) kọwara mmọnwụ a, dịka ụkpọ ewuebi, a na-esi n'akwa emepụta ya, ihu Mmọnwụ a, nwere ụdịdị na ọtụtụ ahụ dị iche iche, ụhara ya na-adị ka ihe ruru iri abụọ centimita iri na ise, mita n'ogologo asatọ centimita iri, Mmọnwụ a, kachaa too ogologo nke ọ bụ naanị ndị siri ike na-ebu ya. A na-eji akpa egwo emachi azụ ya. Nguzu Eda, lgbo na-eji ahịhịa emechi azụ nke ha, Mmọnwụ a nwere anya asatọ ihu ya, e nweghi iku anya. E nwere obere ihe nọchịrị anya ya e ji egwọ kpaa nke na-enye aka ejide ma elu Eze ya ma nke ala ya, Ebe elu ya ka a na-eji agbaa na-acha ọbara, ododo, iji chọọ ya mma. Ahụ ya ka e jikwa ọmụ nkwụ toro ogologo bụ ihe a na-eji achọ ndị a na-anabatabghi n'ụkpụrụ okpukpere chi EgbeIa ma nwoke ma nwaaayi na-akpọ EgbeIa aha naani otu ugboro n'afọ, ọ bụrụ na ha akpọ EgbeIa aha na abụghi ụbọchi emume ụkpọ, ọ bụ arụ, onye di otu ahụ ga-achuru, Ebgela aja maka nsachapụ, maka na onye dị otu ahụ mere ihe ala na-asọ nsọ.




Eserese Mmọnwụ Ụkpọ

## Uru Ekike Mmọnwụ Bara Ndị Eda, Igbo

Ụka (2024) Kọwara uru ekike mmọnwụ bara ndị Eda, lgbo site n'ikọwa na mmọnwụ nwere uru ọ bara n'ebe mkpata na mmefu akụnaụba ha dị nakwa usoro ọchịchị ha di ọ kọwara si, mgbe ọ bụla mmọnwụ "ụkpọ zapụtara, ọ na-enweta ego a ga-eji keree ndị ji ọkwa n'obodo Eda, lgbo, a na-ekekwara mmọnwụ nille ahụ ego ha nwetara. Mmọnwụ nille Eda, lgbo, ka e ji enwe mmekọrita mmadụ na ibe ya, karisịa n'ebe ndị ntorobia nọ ma ọ bụ ụmụ n'etọlite etolite nọ; a na-agbakwa ezigbo Egwu, karisịa n'ebe mmọnwụ

ndị dịka ụkpọ, Oti Nwadinma na Egede di, ọ gakwara n'ihu ịkọwa na mmọnwụ Egede ụga ka ndị Eda,  lgbo ji azụ ụmụ okorobịa  Agha, ọ kọwara si na mmọnwụ Ewa mgbo ka e ji lkikere ụmụ ọkorobia, lke a tụrụ anya na ha ga-ejiri ọsọ ruo ihe dịka iri abụọ na isii kilo mita ọ kọwara si na mmọnwụ Egwuregwu ka e ji azụlite ụmụaka na-enụpụrụ nne na nna ha isi; Ụka (2024) gakwara n'ihu ikọwa uru mmọnwụ bara site n'lkwu na mmọnwụ na-eweta mmekọrita n'etiti mmadụ na lbe ya, ọ na-eme ka obodo na-ekpo oku, e jikwa ya akwanyere onye nwụrụ anwụ n'ala lgbo ugwu, ọ na-enye obi aṅụrị, na-edozikwa emume a na-eme tupu a malite ịrụ ọrụ ụbi, ọ bụkwa emume ọtụtụ ndị mmadụ na-alọta wee hụrịta lkwu na ibe' ha anya. Ọ bụ ebe ụmụ ọkorobia Eda, lgbo si amụta ọrụ nka dị iche iche dịka, ịkwa akwa n'ilhi na ịkwa ọmụ nkwụ dịka uwe abụghi obere ọrụ ọ bụ uzọ ha si akọwapụta otu ha si, mmalite okpukperechi ha, ọchịchị, mmekọrita mmadụ na ibe ha.

## Ọrụ Ekike Mmọnwụ na-arụrụ Eda, lgbo

Ịsichei (1976 ) kọwara ọrụ ekike Mmọnwụ na-arụrụ Eda, lgbo,site n'ikwu na ọ na echekwa ụkpụrụ ekpemekpe Egbela, nchekwa akụnaụba ha, ita ndị merụrụ ala ahụhụ nakwa n'ikpe ziri ezi, mmọnwụ ọ bụla nwere nghọtahie n'onwe ha, ọ bụ na nzuzo ka a ga edọziri ha, mmọnwụ na-aru ọrụ lkwe nkwa omụmụ na igozi ala maka imipụta mkpụrụ, mmọnwụ  Ewa bụ nnabata lsiijii, ọ na-abụ n'abali na-abọra mmemme ụkpọ, ha na-eme akaja, ka iwe wee, onye a kpasụrụ iwe, abali ahụ, ihe ka n'ọnụ ọgụgụ alakpuchala ụlọ, ọ nweghi onye a na-anụ olu ya,  ma ọ bụ

hụ n'ezi, ọ na-egosi ndịiche di n'etiti nwaaanyị na nwoke, ikpu mmọnwụ ka ụmụ nwoke ka ọ dịrị. ọ kọwara si emume mmọnwụ na-ewepụta ọrụ aka dị iche, iche, dịka, mgbasa ozi, egwọ, akwa, ebụbọ ugo,, enyo na asi; njikere mmọnwụ na-achọ ọtụtụ ọrụ nka na ihe ọkpụkpụ ndị mara mma,.lhu mmọnwụ na-akpali abamaba nwoke Eda, lgbo ịbanye Egbela Eda, lgbo. Mmọnwụ ndị Eda, lgbo na-arụ ọrụ nchekwa agbụrụ pụrụ iche ebe ha na-anọ akpọlite mmọọ ndị nna nna ha nwụrụ anwu n n'ebe ha na-anọ eme emume ncheta ndị mere ezi ihe wee nwụọ, ebe ha na-anọ ekpe lkpe ndị uwe ojii nakwa ebe ha na-anọ akwụgbu ndị mere ihe ala na-asọ nsọ. Ude (2000) kọwara si na ihe ọ bụla mmadụ kpụrụakpụ bụ ọrụ nka nwere ugwu na Eda, lgbo. Ekpemekpe ha gbara mgbaraọgwụ n'ihe ọ bụla akpụrụkpe nka osisi di n'ime ya bụ ebe ha si enwea ihe ha si akpụpụta ihu mmọnwụ ha ọ kwara si na mmọnwụ ufiee nwere ọrụ nchụaja ọ na-arụ dịka nkwenye ha si di, ọ kọwara na ọ na-agara ndị dị ndụ, ịnọchi anya chi ha bụ Egbela, ọ na-abịa n'ụdị amara, ihụnaanya ma ọ bụ kwanụ n'ụdị iwe,iji gbazie ndị di ndị olu, ọ kọwara na Agbụrụ ọ bụla n'Eda, lgbo nwere Mmọnwụ nọchịrị anya ya.

## Ọghọm Ekike Mmọnwụ Eda, lgbo

Oji (1978) Kọwara si na e nwere ọtụtụ ọghọ m dị na Mmọnwụ Eda, lgbo, ha na-egbu onye chi ọjọọ biakutere mgbe ha na-eme ihe nzuzo .ọ na-ebutere ọtụtụ ụmụ okorobịa ọnwụ mberede ma ọ bụ ọnwụ ike. Onye na-emebeghi emụme abamaba Egbela adịghị ekpu ihu Mmọnwụ Eda, lgbo, ọ bụ arụ,onye di ọtụ ahụ ga-anwụ,

nwoke ọbụla emeghi emụme abamaba Egbela bụ ebe ekpemekpee ha gbadoro ụkwụ, adighị apụta ezi ma ọ bụ ebe Eze Arụsi Eda, lgbo nọ ,karisia ụbọchi ndị nille anabatara ọ hụrụ na aga ọhia ojo igakwuru Eze arụsi maka nabata ha n'okpukperechi Egbela, ndị niile kpuru ihu mmọnwụ na-eji ụbọchi ahụ emesi ndị iro ha ike maka agaghi ekpe ya ekpe, ngwa Mmọnwụ Eda, lgbo dị oke ọnụ, karisia Mmọnwụ e ji eli onye Eze nwụrụ anwụ bụ Mmọnwụ ufiee.

## Nsọ Egbela Eda, lgbo

Onu, (2000 ) kọwapụtara nsọ ndị dị na abamaba Egbela Eda, lgbo, abamaba Egbela abụghị ihe dị mfe n'ebe ụmụ okorobịa ndị Eda, lgbo di,nsọ ya abụghị ihe e ji egwu egwu ya mere okpukperechi Egbela nwere ihe ndị ha na-asọ nsọ, nke gụnyere;

1. Onye ọ bụla mere abamaba Egbela adịghị emebi ngwa aria Egbela, ọ bụrụ na o mebie ya, onye di otu ahụ ga-anwụ.
2. Ọ bụrụ na Eze Arụsi enwee mmekọahụ nwaanyị akwụna, Eze Arụsi ahụ ga-anwụ.
3. Eze Arụsi enwee mmekọahụ nwaanyị mgbe ọ nọ nsọ, ọ ga

anwụ, di ka nkwenye Eda, lgbo si di.

4. Ọ bụrụ na ọkụọ ụtara ji ọkpọ n'isi, ọ ga-anwụ.
5. Ọ bụrụ na Eze Arụsi ekụrụ nwa ọhụrụ na- apata ụkwụ ya abụọ nke ana ebebeghi ugwu, Eze Arụsi ahụ ga-anwụ.

**Nchikọta**

Ihe ndị a chọpụtara gosiri na ọ dị mkpa ka ụmụ okorobịa ndị Eda,lgbo niile sonye na ejije mmọnwụ,n'ihi na o jupụtara ọrụ nka di iche iche, abamaba a bụ ụzọ e si ahụta nwoke Eda, lgbo, di ka onye tozuru oke na abụghi ofeke mmadụ, ọ na enye aka igbazi akparamagwa ma wezuga omume ọjọọ n'ime ha.Omenaala obodo na-eme ka ihe na-eme obodo nwee usoro.onye ọ bụla ga agbaso iji nwee ezi mmekọrita n'etiti onwe ha.A bia n'Eda, lgbo ,e nwere ọtụtụ Omenaala ndị a gụnyere;ime okwe, igba nzụ, n'obodo gbara ha gburugburu ,o nweghi ebe ọzọ a ga-ahụ usoro abamaba na abụghi n'Eda, lgbo usoro abamaba mmọnwụ ha bụ ọkaibe n'ihi uru.ọghọm na ọrụ nka jupụtara na ya. Ndị lgbo tụrụ ilu si na ọ bụghi ụbọchi ahụ egbujiri osisi ka ọ na-akpọnwụ, Omenaala igbo na-anwụ,ụmụ lgbo emee ka a ga-asi na o nweghi ihe na-eme.Mgbe mmiri ga-ezo ,ọ ga-ezo ,ọ ga-ama onye ukwu na onye nta, ya mere ka ndị Eda, lgbo were ehihie chọọ ewu oji,ka Omenaala ghara inwụ pii .

**Aro**

Site n'ihe ndị onye nchọcha chọpụtara na nchọcha a, ọ tụnyere arọ ndị a;

1. Ka ndị Eda, Igbo lebagharia anya n'emume ejije mmọnwụ Eda, Igbo ma chọpụtakwa ụzọ ha ga-esị mee ka ọ ghara ịchịpụ maọbụ nwụọ pịị, n'ịhị oke uru ọ bara ndị Eda, Igbo, bụrụ ibu.

2. Ka ndị Eda, Igbo mee ka ndị Gọọmentị okpuru ọchịchị Eda, Lokal Gọọmentị kwado emume a, site na imeka onye ọbụla n'esonyere mmemme mmọnwụ ejije Eda, Igbo, karisia ụmụ okorobịa n'etọ etọ.

3. Ka ndị omenaala na-amasi na ndị ọka asụsụ mee dọkụmentshọn, ka e nwee ike itinye ha n'ọba ndoko omenaala asụsụ.

4. Ka ndị ọchịchị Eda, lgbo na-enwe ọgbakọ, iji kụzịere ụmụokorobịa ọ dị mkpa mmemme mmọnwụ Eda, Igbo bara.

5. Ka ndị mgbasa ọzị nye aka ikwalite mmemme mmọnwụ Eda, Igbo site n'ime ka ụmụọkọrọbịa n'eto eto ghara ihụta ya dika abamaba ndị ọgọọ mmọọ.

6. Gọọmentị inye ndị ọrụ oyibọ ohere isonyere mmemme mmọnwụ ejije Eda, Igbo site inye ha ezumiike n'ọnwa iteghete kwa afọ ọ bụla.

7. Ndị Eze Eda, Igbo kwesiri inye ndị ntorobia bụ ndị na-eme emume mmọnwụ Eda, Igbo ihe nrite.

8. ka aghara iji agụmaagụ ndị Bekee na-atunyere agụmaagụ ndị lgbo, n’ihi na didi asụsụ na agụmaagụ a bụghi otu.

9. Mahadum ebe a na-amụ maka asusu na omenaala lgbo kwesiri ha.

10. Ndị nkụzi ga-agba mbọ na-eme nchọcha iji chọpụta nkwugide niile ndị Bekee nwere agba na-ekwugide ndị lgbo n’ihi edeghi agụmaagụ akwụkwọ n’oge gboo ma chọpụta ụzọ a ga-esi megide nkwugide a, nke a ga-eme ka agbaa n’anwụ nke bụ eziokwu site na mpụtara nchọcha

## Mmechi

Obodo niile n’ụwa gbaa gburu gburu nwere Omenaala e ji mara ha, Omenaala ndị a bụ ihe na-agbazi usoro obibi ndụ na ụdi akparamagwa ha,ma otu ihe na-agbazi anya mmiri n’oge ugbu a, bụ na o nweghi ụmụ okorobịa anyị ji Omenaala abamaba mmọnwụ Eda,lgbo kpọrọ ihe,mmọnwụ Eda,lgbo bụ ihe obodo ji enwe mmekọrita n’etiti onwe ha.N’oge gboo,abamaba a na-akpọlata ikwu na ibe bi n’ụzọ ije,ndị enyi nan di Omenaala na-amasi ilọta ụlọ soro ndị obodo n-enwe mmekọrita.ọtụtụ aka ọrụ,inwe ndịdi,,ime ezigbo mkpebi,imụta otu ha ga-esi chikọta ezinụlọ ha iche iche n’ọdiniihu,nsọpụrụ ndị okenye,idebe iwu na-achi obodo ,mmekọrita tọrọ atọ n’ebe ibe ha nọọ,na ihụnaanya n’ebe ibe ha nọ ka obodo na-aga n’ihu.

## Edensibịa

Abakere, C. (2009). “Definition of culture in Aghamelu F.

and Asomagha, C.(ed.) Reading in

Abudul, L.C (2016). Culture and Development. New York: Prencentive Hill Press.

Ade, F.E, (1912). The teaching of African Proverb, A Panacea for Jurenile Deliquency in Nigeria: The Esan Experience, in Ukaogo, vPeters, Helen. Reflections on the preservation of Igbo Folk literature, *the Conch (Austin, Texas)* 3 (2): 97-103.

African Thought and culture Enugu: Strong tower book

Anagudo, A. (2008). Igbo night Masqurade theatre as a Prototype of the modern radio.In J.l.Eyist,odimegwu Asigbo, A. (Eds.).Paradise in the art celebrating Prof. Agbodike.C.C.Awka;Fab Anieh Nigeria. Philosophy And the study of languages, linguistics, literature and culture,234-245, Nsukka; Paschal

Anozie, C. (2003). lgbokwenu: Akukọ na Omenaala ndị lgbo, Enugu: Computer Edge Publisher.

Communication.

Driscoll, M.P (1994). Psychology of Learning for Instruction, Needham; Ma; Alyn &Bacon.

Duerdon, Dennis African Arts (1974). An Introduction London: Hamlyn Publishing Group (1974)

Ebhomienlen, Thomas.O Idenudia, M.O. (2014). (Ekpo), Masquerades in Edo belief: The Socio-Economic Relevance (online). *International Journal of Humanities and Social Science*

Edozie, U. (2015) ọ bụ onye Nteje gbara afọ iri ise na asatọ, ọ bụ onye ọrụ ugbo. Okwu ọnụ ya bayere iti Mmọnwụ ijele na Nteje 04/04/015.

Elme, D. (2013). The Relationship.between language and Culture, National lnstitude of fitness and Sports in kanoya lnternational Exchange and Language Education Center.

Exploration. Na B. M. Mbah, C. C. Agbedo, C. O. Okeke, G.T. Okeke and C. C. Ezebube (ọhz). Semantics

Ezeajugh, T. U. (2012). The role of theater in ldentity formation.Na.C.K.

Ezebuilo, C.N. Odeh, B.E. & Nwosu I.J. (2019). Culture, meaning and identity construction: a semantics exploration, Na B.M. Mbah; C.U. Agbedo, C.O. Okeke, G.T Okeke & C.

Ezebụilo, C, N., Odeh, B.E.and Nwosu, l. J (2019). Culture, Meaning and identity Construction; a semantic

Isichei, E. (1976) History of the Igbo people, London Blackwell Vol. (1) pp.58.

Mbah, B.M. (2018), Nsara Uche, nzubere ọnọdu na akara aka (Metal space, domain construction and the limitation of possibility), in an inaugural lecture. Nsukka: University Nigeria Press.

Nnabuenyi.U. (1983): Mmọnwụ: Ejije Ọdinaala ndị Igbo. Lagos Univeristy Press.

Nwabueze, E, (2003) Visions and re-Visions; discourse on Literary Criticism Enugu; ABIC.

Nwaolikpe. O.N (2013). Culture and Nigeria identity Inprint Media, *Arabian Journal of Business and Management Review* 3 (3):63-71.

Ogbalu, F.C(1987). Omenaala, Maka Junior Sekọndịri n'usoro nke 6-3-3-4. Onicha: University PublishingOgunba, oyini, Ritual Drama of the Ijebu People: A Study of Indịgenous Festivals. Ph.D.University of Ibadan 1967.

Okodo, l. (2012) African traditional drama; the lgbo Nigerian experience, *Journal of Emerging Trends in Educational Research and policy studies,* 3(2):131-136,.

Okonye,C. ( 2019 ) .The lgbo Mask and the Elements of sound and Darkness in the Night Mask phenomenon in S.Ododo and Chike Okonye.Liminal Magains; Facekuerades. Awka; SONTA, P.93-114.

Okorie, O. (2009). Omenaala na Ewumewu ndị lgbo.Vol.(1) Pg.98-130. Enugu: Cheston Agency.

Onebunne, J .and Eze akọ, S. (2025). Extremisum in lgbo traditions and Cultures. Nnediebube. Journal of Gender Studies, 1(1).

Onu, A. M. (2000) Enthno-Pragmatic Study of Epic- Poetry of Eda

Spencer-Oatey, H. (2012).What is Culture? Acompilation of questions. Gobal PAD core concept, Retrived from www.warkick.ac.uk/globalPAO/lntercu ltural. Mbutu, 2/12/2021.

Tudge, J.R. &Winterhoff, P.A (1993). Vygotsky Paiget and Bandura: Perspectives on the relations between the Social world and Cognitive Development: Human Development, 36 (2), 61-81.

Ugonna, N. (1981) Eze lgboezue; an lgbo Masqurade play. In Ogunbiyi, (Ed.) Drama and theatre in Nigeria; A critical source book;(111) 23-33.

Ugonna, N. (1981) Mmọnwụ; a dramatic traditional of the lgbo, Lagos; University Press. p

Uka ,N.A.(1981) The History of Traditional Rulers in Eda; A case study of Ebunwana .Unpublished Term Paper. GS.Humanities.Pg.2

Uka, U.U (2009) Eda, A people and their culture; VOI. (1) Pg,98-129 . Enugu Rhyce Kerex Publishers.

Uka, U. U. (2024) Eda, Nde lfe na Omenaala ha; VOI. (2) Pg 130-159 .Rhyce Kerex Publishers.Enugu .Nigeria.


Ukenna, P.T. (2017). Culturein contemporaryAfrica. Oxford University Press.

Vygotsky, L. (1978). Mind in Society; Development of higher Phchological processes Cambridge, MA; Harvard University Press.

Winster, A. Abar, B, pedr. M, A. Schumn, C. D& Rubio, D. A (2007). Private speech and executive functioning.



Oti (Ega)



OGBUKPEKPEE